# ỊDỌAKANÁNTỊ

**Ndi Hibru 3:7-19; 4:1-13.**

**IHE ỌMỤMỤ 434**

**Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ta, ọ buru na unu gānu olu-Ya, unu emela ka obi-unu sie ike" (Ndi Hibru 4:7).**

Onyeozi Pọl kọwara otú ụmụmmadụ pụrụ inweta nzọpụta, ma o dọkwara ha akanántị maka ihe gaadapụta ma ọ bụrụ na ha ajụ ozi nzọpụta ahụ. Otù oge mgbe Pọl náedegara ndị Kọrint akwụkwọ banyere ụfọdụ nime mmehie ụmụ Israel mehieworo n'ijè ha n'ọzara, ọ sịrị: "Ma ihe ndia nēmeri ndi ahu n'uzọ ihe-atu: ewe de ha n'akwukwọ nsọ ka ha we buru ihe idu ayi ọdu" (I Ndi Kọrint 10:11), maọbụ ihe ịtụziri anyị aka. Ha bụ ihe ịdọ anyị akanántị banyere mmekpaarụ Chineke n'ezite maka mmehie, ma ya bụrụ na anyị achọghị ịtá otù ụdị ahụhụ ahụ, anyị gaelezianya ka anyị ghara ime mmehie.

**Obi Emere Ka O Sieike**

Anyị mụrụ ihe banyere Mmadụ Atọ ahụ n'ime ịchịisi Chineke. N'iheọmụmụ a, anyị naahụ Mmụọ Nsọ ( Onye ekwuworo na ọ bụ Onye nke Atọ) n'ebe Ọ naekwuokwu, náegosi kwa Onwe Ya. Mmụọ Nsọ dọrọ ndị Israel akanántị n'oge Agba Ochie, Pọl naekwukwasị kwara anyị ịdọakanántị ahụ ka anyị ghara ime ka obi anyị sieike. Òlee otú mmadụ pụrụ ime ka obi ya sieike? Site n'ịnupuisi n'imezu Iwu Onyenweanyị. Mgbe ọ bụla mmadụ nupuruisi, emee ka obi ya sieike nke ntà. Ná mbido, obi nwere ike náajọ ya njọ mgbe ọ bụla o mehiere, ma mgbe ọ nupuru Chineke isi ọtụtụ ugbò obi ya gaesi nnọọ ike na ọ gaghịechè na ya na eme ihe dị njọ. Akọnauche ya agaghị emetuta kwa ya ọzọ.

Ekweghịekwe naemekwa ka obi mmadu sieike; ekweghị na Chineke naata mmadụ ahuhụ mmaka mmehie; ekweghị na Jisọs pụrụ ịzọpụta site ná mmehie niile; ekweghị na ọ dị mkpà ibindụ dị nsọ. Ọ bụrụ na anyị naaga n'iru n'ịrụụkà banyere mpaghara Okwu Chineke ọ bụla, agaeme ka obi anyị sieike.

Ihe óké egwù siri na mgbe azọpụtasịrị anyị, na anyị nwereike inwezuga ntụkwasịobi anyị na Jisọs, wee malite kwa inwe obi abụọ banyere Okwu Ya -- ikekwa náánị námpaghara Okwu Ya ụfọdụ. Ọ bụrụ na anyị esighịike taa nime okwukwe anyị dịka anyị dịrịị na mgbe Onyenweanyị buru ụzọ zọpụta anyị, anyị kwesịrị inyocha onweanyị ịhụ ma anyị ka nọkwa nime nzọpụta. Ọ pụrụ ịbụ na anyị etufuwo "ihun'anya mbu" ahụ. Pọl were ya dịka isiokwu dị mkpà: ọ sịrị: "Riba-ama." Geentị! "Nādu onwe-unu ọdu." Dọọ onwe unu akanántị ka anyị ghara ịtụfu ezi ihe nke Chineke nyere anyị site ná ndụ anyị.

Mmehie naarafu. Setan pụrụ iji ihe dịka ọ dị mma nwaa anyị, anyị ewee chee na ọ dịghị ihe dị njọ n'ime dịka o si chọọ. Ma ọ bụrụ na anyị egee mmụọ Chineke ntị, Ọ ga adụ anyị ọdụ maka ihe ndị ahụ dị njọ. Ọ bụrụ na anyị ajụ ịrịba ịdọakanántị Ya ama, anyị gaadaba n'ọnwụnwa ahụ obi anyị ewee sieike.

**Ijidesiike**

Pọl kọwara na aga azọpụta anyị rue mgbe ebighịebi, anyị na Kraist gaanọkọ na Alaeze Ya dịka ụmụ Ya na ndị so Ya lụkọọlụ, náání ma ọ bụrụ ma anyị "jidesiri nmalite nke ndabere ayi ike rue ọgwugwu ihe nile" (Ndi Hibru 3:14). Ọ pụtara na ọ bụrụ na anyị enweelarị nzọpụta, ka anyị nọgide nime amara ahụ -- ka anyị wee nọdụ ná njikere mgbe Jisọs gaabịa. Mgbe edoro anyị nsọ, ọ dịkarịrị mfé "ijide ndabere ayi," na ka anyị gharakwa ịdapụ n'amara. Mgbe anyị nata kwara ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ, anyị nwekarịrị ike imeri mmehie. Mgbe ahụ anyị nwere Mmụọ Nsọ ịdọ anyị akanántị banyere ihe nrafu niile nke mmehie.

Chineke alụworị óké ọlụ ebube mgbe O dupụtara ụmụ Israel site n'orù nke Ijipt. Ha bụ náání ndị orù n'Ijipt, ma n'otù abalị, ha pụtara wee gabiga n'enweghị ihe mgbochi ọ bụla -- Chineke kwuru na ọbụná nkịta agaghị "araghari ire-ya" megide ha. Chineke gaelekọta ndị Ya.

**Nrọpụta Nke Chineke**

Ma ka nnapụta ukwu ahụ gasịrị, ndị Israel ekwereghị na Chineke -- ha wee nupuru Ya isi. Ya mere njèm ha gara ewe náání arọ abụọ ịgazu ) ogologo oge mgbe ha kwadosịworo ịbà na Kenean dịka otù mba) gara n'iru iri arọ anọ, rue mgbe ndị niile gbara oru arọ maọbụ gafee mgbe ha rapụrụ Ijipt

nwụchara. Nime arọ iri anọ ahụ niile Chineke nwere nsogbu na arụ ha. Ị gaechéworị na ha gararị enwe obi ekele n'inwere onweha, na isi n'okpuru onye ọchịchị akaike ahụ, bụ́ Fero pụọ, onye meworo ka ha lụsieọlụ ike, Onye náeme kwa ka apịasie ha ihe ike mgbe ọ bụla ha mejọrọ ya. Chineke naenye ha nri kwa ụbọchị ime ka arụ dị ha ike -- "Nri nke ndị mọ-ozi ka madu riri: o zitere ha ihe ha geriju afọ" (Abù Ọma 78:25); uwe ha akagh nka -- "Uwe-ngbokwasi-gi akapugh nka n'aru gi, ukwu-gi azagh kwa aza, ọgu arọ abụa ndia" (Deuteronomi 8:4); Chineke ji igweoji kpuchie ha site n'okpom ọkụ n'ehihie, nye kwa ha ìhè n'abalị site n'ogidi ọkụ ahụ. (Abù Ọma 105:39); O nyere ha mmiri ọñụñụ n'ọzara ahụ bụ ala kpọrọ nkụ̀ na alaakọrọ -- "O meghere oké nkume, miri we ruputa, ha nērù n'ala ọkpọ-nku dika osimiri" (Abù Ọma 105:41). Ihe ndịa niile ka Chineke meere Israel, otú ọ dị "ha ekweghi na Chineke, ha atukwasigh kwa obi-ha ná nzọputa Ya" (Abù Ọma 78:22). N'ihi nke ahụ Chineke wesara ha iwe, O wee sị ha na ha agaghị aba na Kenean. Ha enweghị ike ibi nime obodo maọbụ nime ụlọ ewuruewu -- ha nọ náamagharị ụlọ ikwu. Mgbe ụfọdụ ha naebuso ndị náachọghị ka ha si n'ala ha gabiga agha. Ha tara ahụhụ site n'óké ihe isiike, maọbụ ihe ha kpatara onweha.

Ikpeọmụmá náadakwasị ndị Israel oge ụfọdụ nke naeme na anaegbu ọtụtụ puku mmadụ nime ha. Mgbe Detan na Abiram mehiere, ala saghere ọnụ ya wee lomie ha na èzínaụlọ ha niile. Narị mmadụ abụọ na iri ise (250) ọzọ nwụkwara mgbe ha nwara isure ihensureọkụ naesi ísìụtọ, nke megidere iwu Chineke. N'ụbọchị náesote, ọtụtụ mmadụ tamụrụ ntamù maka ikpé ndị niile nke mere na Jehova zitere ọrịa náeféefè n'etiti ha, nke mere ka puku mmadụ iri na anọ na narị asaa (14,700) nwụọ. N'ikpeazụ Chineke sịrị: "ha nējehie mgbe nile n'obi-ha: ma ndi ahu amagh uzọm nile. Dika m'ñuru iyi n'iwem, ha agagh-aba n'izu ikem ma-ọli" (Ndi Hibru 3:10, 11).

**Ala Izuike Ahụ**

Ala Kenean bụ ala mara nnọọ mma, nke nwezuru óké ihe niile náeme ka ihe ọkụkụ too nkeọma ma mezue kwa ebe ọ dị ukwu. Chineke kwere mkwà ịchụpụ obodo ahụ n'ekpere arụsị site n'ala ahụ mgbe ha naabịa n'ụzọ; nke mere na ọ gaabụworị ala izuike n'ezie. Ma izuike nke kachasị ka dị n'iru anyị: Eluigwe.

Mgbe Chineke kechasịrị eluigwe na ụwa na ihe niile dị nime ha, O zuru ike. Mgbe Jisọs lụchara ọlụ mgbapụta Ya n'uwa -- mgbe akpọgidesịrị Ya n'obe O wee si n'ọnwu bilie -- Ọ laghachiri azụ n'Eluigwe izuru ike. Ugbu a anyị nwere ọlụ anyị ịlu n'ụwa, irite mkpụrụobi n'urù nye Jisọs, ka anyị naebi ndụ onye nke Kraist náenweghị ntụpọ, emesịa anyi gaaba kwa n'eluigwe izuru ike. Izuike ahụ naechere anyị, ma anyị gaejikere mkpụrụobi anyị ugbu a ị nọ n'echere ịbà na ya.

Chineke naemere anyị ọtụtụ ihe taa n'ihi na Ọ hụrụ anyị n'anya, náachọ kwa ka anyị dị mma, dị kwa nsọ, ka anyị wee soro Ya biri n'Eluigwe. Ma ọbụrụ na anyị ekweghị ná mkwà Ya niile, anyị jụ iwere ndụ anyi chụọ àjà nye Ya, nke gaeme ka O nye anyị okwukwe ịnata mkwà ngọzi Ya niile, anyị agaghị aba n'izuike Ya. Pọl sịrị anyị tụọ egwù ime ihe ndị ahụ gaeme ka anyị ghara ikwesi ịba n'Eluigwe. Anyị pụrụ ịhụ́ ihe ndị ahụ ndị Israel mere nke gbochiri ha ịbà Kenean, nke bụ kwara anyị ezi ihe ịdọakanántị ka anyị gharakwa ime ụdị ihe dị otú ahụ.

Ọlụọma ayị nanị ezughị ime ayị ndi kwesịrịịbà n'Elu-igwe. Chineke mazuru obi nile na-ahụzu kwa echiche ọjọ nile na ọchịchọ onwe-onye nile zoro ezo n'obi. "N'ihi na okwu Chineke di ndu, nālusi kwa ọlu ike, di kwa nkọ kari mma-agha ọ bụla nke nwere iru abua, nādu kwa rue n'ikewa nkpuru-obi na mọ ma nkwonkwo ma umi, buru kwa ihe nwere ike ituputa èchìchè na izù nile nke obi". (Ndi Hibru 4:12). A gaeji okwu Chineke kpee anyị ikpé na mgbe anyị gaeguzo n'iru Ocheikpé, ewee nye Iwu niile náachị omume anyị dum n'eluuwa a dị na Baịbụl. Ihe ọjọọ niile nke anyị meworo (ma ọbụrụ naagbagharabeghị ya were kwa Ọbara Jisọs kpuchie ya) ka aga ekpughe. "Ihe nile gba ọtọ buru kwa ihe emegheworo n'anya-Ya, bú Onye ayi gākọrọ akukọ bayere omume ayi" (Ndi Hibru 4:13)

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Ònye náeduba madụ n’ikpe maka mmehie?
2. Òlee otú ndị mmadụ si eme ka obi ha sieike?
3. Kpọọ ụfọdụ nime iheọma Chineke mere ụmụ Israel n’ọzara.
4. Oge raa añaa kà ha jikere ịbà na Kenean? Gịnị mere ha enweghịike ịbà n’oge ahụ?
5. Gịnị bịakwasịrị ndị Israel mgbe ha nupuru Chineke isi?
6. Kọwaa ka ala Kenean si dị.
7. Gịnị ka Chineke mere mgbe O kechasịrị ụwa?
8. Gịnị gaabụ izuike anyị maọbụrụ na anyị bụ ndị Kraist náemeriemeri?